Diploma Programme
Programme du diplôme
Programa del Diploma

# Igbo A: literature – Standard level – Paper 1
# Igbo A : littérature – Niveau moyen – Épreuve 1
# Igbo A: literatura – Nivel medio – Prueba 1

Wednesday 4 May 2016 (afternoon)
Mercredi 4 mai 2016 (après-midi)
Miércoles 4 de mayo de 2016 (tarde)

1 hour 30 minutes / 1 heure 30 minutes / 1 hora 30 minutos

---

### Instructions to candidates

- Do not open this examination paper until instructed to do so.
- Write a guided literary analysis on one passage only. In your answer you must address both of the guiding questions provided.
- The maximum mark for this examination paper is **[20 marks]**.

### Instructions destinées aux candidats

- N’ouvrez pas cette épreuve avant d’y être autorisé(e).
- Rédigez une analyse littéraire dirigée d’un seul des passages. Les deux questions d’orientation fournies doivent être traitées dans votre réponse.
- Le nombre maximum de points pour cette épreuve d’examen est de **[20 points]**.

### Instrucciones para los alumnos

- No abra esta prueba hasta que se lo autoricen.
- Escriba un análisis literario guiado sobre un solo pasaje. Debe abordar las dos preguntas de orientación en su respuesta.
- La puntuación máxima para esta prueba de examen es **[20 puntos]**.


© International Baccalaureate Organization 2016

International Baccalaureate
Baccalauréat International
Bachillerato Internacional

https://xtremepape.rs/

Dee naani **otu** nkebi mkpowa/nkowa agumagu ederede kenduzi/mgbaziri. N’aziza gi, i ga-enyeriri ntuziaka banyere ajuju kenduzi/mgbaziri ndi ahu I weputara.

**1.**

Ngọzi elelechaala akwụkwọ ugbu a. Chude ebidola ọrụ, ma otu ihe mere bụ na ya na nna Ngọzi na-arụ ọrụ otu ebe. Ha na-ahụ ụtụtụ ọbụla na ehihie ọbụla. Nke a mere na mgbe Chude ji ala ọrụ bụ mgbe Maazị Onwụka ji ala nke ya. Maazị Ọnwụka laruo, ọ naghị ekwe Ngọzi apụta ezi. Nke a mere na o teela Chude na Ngọzi hụrụ onwe ha anya ikpe azụ. Chude chechaara ihe ọ ga-eme, otu uche sị ya buru mmanya jee be Maazị Ọnwụka jọa ya ase maka ịlụ Ngọzi ka ọ mara ihe ọ ga-ekwu. Ma o chechaala ihe dịrị ya, mara na nke ahụ enweghị isi n’ihi na nke mbụ, ọ bụ obere ego a ọ na-arụta ka ya na nne ya ji egbo mkpa ha. Ahịa na-anyụ nne ya nke ukwu ugbu a. Ọ bụrụ na nne ya nwere ike kwụdo nke aka ya, ọ mara ihe ọ ga-eme n’ihi na ụgbọgịrị mịara gị, mịara nwunye di gị, i risaa nke gị ahụ. Nke abụa, ọ buladị na ọ hụrụ ego, nna Ngọzi ga-ama ụzọ ọ ga-esi chụpụ ya n’ihi na ọ bụghị otu ụzọ ka e si egbu oke: i jighị mma gbuo ya, ị kụọ ya isi n’ala, ma ọ bụ i were osisi kụgbuo ya. Ọ gaa na nke nna Ngọzi, o nwere ike ịsị ya na ọ chọrọ ka Ngọzi gụkwuo akwụkwọ, ma ọ bụ o bulie ụgwọ ngọ ya ebe aka Chude agaghị erụ, maka na aja agaghị achụ na-awa akpakwuru danda.

Ihe dịrị Chude hiri nne. O ji nwayọọ na-eme nke o nwere ike mgbe ọbụla o nwere ike ime ya, kama ebe e soruru ji ọ gwụ, a rụwa mkpọ. O wee kwuo n’obi ya nay a agaghị eji nkwo ga lụa nwanyị n’ihi na e kwuru na kama a ga-atabiri ji ọkụ gbajawa eze, ya dị n’ọkụ jụọ oyi.

Ihe ọ sọrọ ya bụrụ, Chude agaghị edinwu ịnọ ghara ịdị na-ahụ Ngọzi, ma ọ bụ nụ olu ya. Nna ya anaghị ekwekwa ya apụta ezi ma ọ lọta ọrụ, ma ya fọdụ ịga na be Chude. Ma, nke a egbochighị agụụ ịhụ onwe ha ịgụ Ngọzi na Chude, maka na anya dị nduri n’ite e sinyere ọkpa. Ndị Igbo sị ọhịa na-asọ nkata epukweela ero, ma ugbu a, ọhịa dị be Maazị Ọnwụka jere ipu ero, puo ụdị Chude nwa Obi na-eri, ma Maazị Ọnwụka sị ya anwala anwa bata n’ọhịa ya.

Ugwu mụta mgbaji ukwu, agadi nwanyị amụta a rịkata, e zuwe ike, maka na ụzọ mmiri mechie, onye mmiri dị mkpa esi ụzọ nkụ jewe mmiri. Ọ bụ ezi okwu na akụ na ibe ya bi, ichere gbabidoro ha ekweghị ha hụ onwe ha anya. Otu ụbọchị, Chude naara efe n’ụlọ ọrụ ha, sị kaya je weta ihe n’ụlọ, gaa na be Ngọzi ha n’ihi na ọ ma na Maazị Ọnwụka nọ n’ụlọ ọrụ ha ugbu a. Mgbe ọ batara, ya na Ngọzi nwere efe nọdewe onwe ha nso, kọrịa ihe dịrị ha maka na ụzọ jụọ oyi, nduri ebee n’ala. Ebe ahụ ka ha nọ wee tụọ aro ka ha abụọ ga-esi na-ezirita onwe ha ozi.

Ihe ha kwutere bụ nke a: Nna Ngọzi nwere otu okpu ọ naekpuma ọ na-eje ọrụ. Okpu ahụ kara nka n’ime, dị ka akwụ ọchịcha. Mgbe ọbụla Maazị Ọnwụka ruru n’ụlọ ọrụ ha, o nwere ebe ọ naedewe okpu ahụ. Mgbe ọrụ gbasara, o jee ebe ahụ were okpu ya tinye n’isi, chọwa ụzọ be ya. Mgbe o ruru ụlọ, o dewe okpu ahụ ebe ọ na-ekonye ya na ntu. Chude na Ngọzi wee kwekọrịta na ọ bụ nna Ngọzi ga na-eziri ha ozi site n’ụzọ a: n’ụzọ ụtụtụ, Ngọzi dechaa akwụkwọ ọ chọrọ inye Chude, o tinye ya n’ebe akwa e ji mee ime okpu si kaa nka. Mgbe nna ya kpuuru okpu ahụ ruo n’ụlọ ọrụ, Chude ga-eje ebe ọ na-edewe okpu ya were akwụkwọ Ngọzi, dee nke ya tinye. Mgbe Maazị Ọnwụka lọtara dewe okpu ya, Ngọzi ejee ebe ahụ were akwụkwọ Chude deere ya.

Ụta adịrịghị Chude nke o ji adịrị Ngọzi n’ihe ụka ọchị ha ji Maazị Ọnwụka eme, n’ihi na ọ bụ onye isi mere onwe ya oke sị ụmụ aka ghọọ nwamba chụwa ya. Otu a ka Maazị Ọnwụka si ebugharị akwụkwọ ha na-edere onwe ha. Nanị mgbe ha ji ahụ onwe ha anya bụ ma Maazị Ọnwụka jee ụlọ ma ọnwa gwụ, n’ihi na egbe laa ije, uriom ọkụkọ emegharịa ahụ.

https://xtremepape.rs/

Eje ala bụ ụbọchị nile ma ejejie m chi bụ otu ụbọchị. Maazị Ọnwụka lọtara ọrụ, chọọ ka ya kowe okpu ya na ntu, akwụkwọ Chude deere Ngọzi wee si n’ime ya dapụta. Mgbe ọ gụchara ihe Chude deere Ngọzi, o riri ya ọnụ maka na ọhụghị ọnụ ọ ga-eji tie mkpu. Ọ bụghị nanị na ewu tara ya igu n’isi; ọ tachara igu, taa azịza, were ọnụ kperekwuo ekwere. O were akwụkwọ ahụ Chude dere, mee ahụ ka ọ dịghị ihe ya hụrụ. Ngọzi bịara chọọ akwụkwọ Chude deere ya ma ọ hụghị, o wee dee nke ya tinye ebe ọ na-etinye. Mgbe nna ya chọrọ ije ọru n’ụtụtụ, ihe mbụ o mere bụ na o tinyere aka ebe oghere ahụ dị, wepụtakwuo akwụkwọ Ngọzi deere en̄yi ya nwoke, nkata wee kpudo onye ihu na onye azụ.

Mgbe ọ lọtara ọrụ, o ziri Ngọzi ka o je kpọọ Chude. Obi dị Ngọzi na Chude mma n’ihi na Maazị Ọnwụka achọọla ime omume ka mmadụ, ma mgbe ha ruru, o tinyere aka n’akpa wepụtara ha akwụkwọ ha abụọ deere onwe ha, ihe ahụ wee rie ha ọnụ. Mgbe Maazị Ọnwụka chọrọ iji olu ukwu bawa mba, nne Ngọzi gbapụtara gbachitewere ha abụọ. Mgbe ha abụọ na-agbagha onwe ha okwu, Chude na Ngọzi mịpụrụ.

Ihe a buru Maazị Ọnwụka ajụ, maka na ọ bụ oke ala na-ebute anya iro. Ọ gaghị izu abụọ, a chọrọ otu ihe sị na Chude mere n’ụlọ ọrụ ha, bido nke ahụ aka chụọ ya. Ahụhụ nile Chude hụrụ bụ ije o jetara maka ịhụnanya ya na Ngọzi hụrụ onwe ha.

T Ubesie, *Ukwa Ruo Oga Ya O Daa* (1979)

(a) Kedụ ihe i nwere ike ikwu n’ụzọ odee jiri kwalite ma gosipụta àgwà n’ileba anya n’isiokwu ha?

(b) Kọwaa ụzọ gasị e si jiri asụsụ na agwara akankè n’ikepụta ejije na nsogbu dị n’akwụkwọ a.



https://xtremepape.rs/

**2.**

## Ọgbanje

Ǹjọkụ̄: Nsògbu ākarịala
Nhusì anya akarịala
Kwà afọ̀ ụkà Nwamkpà
A gbaa ǹke mbụ, ò tụọ n’ogwè,
A gbaa ǹke ābụa, ò tụọ n’ogwè
E kwèrè ogwè pịa akụ̄?
Nwa alọ̄ ahụsiela anya
Nke à ọ̀ bụghị mkpịsịrị akā ochiè?
Anyị dābìrì ya kà ị ghàra ịbīa ọ̀zọ
E nyewo ụmù akā saraka
Ihe ndị à bù kà o sì chọọ
Ọ bù gịnị fọdụ̀rụ̀?
Mà ebe i jikèrè ịkpụ̀ ànyị ọnụ n’àlà
Imesi ānyị ike n’elèghị anya
Enweghị eberè màkà nhusì anyà
Husie anya ùgbòrò ìse
N’akụ̀kụ̀ mmiri ntà
Kà ibu nkụ nà kàràjiṁ
Gà-àgwa gị okwu, okwu ị gà-ànụ
Kà ǹke à bụrụ ijē īkpe āzụ gị.

Ijè: Òleē ebe i jì ṁ àga?
Ì jì ṁ àga akụkụ mmīri?
Ọ bù ebe ahù k’ị nàtàrà m?
Ọ̀ bụghị gị nà-èbe akwā
Na-àchọ m ụbọ̀chi niile
Kà ùso ekwū gị juo?
Ọ bụghī gị nà-àgba àjà
Na-àchọ ihe ị gà-ème.
Kà m bàta n’ụlọ̀ gị?
Ì mezùola kà m sì chọọ?
Ibu nkụ na karajim
Ọ̀ bụghī anụ ahụ kà ọ nà-èmebi?
Anọ̀ ṁ ichè na-èle gị anya
Hụ kà echìche ụnụ sị àga
Isū m ọkụ gà-ème kà
M jie n̄ji ukwuù
Ọ bù onye ojii kà ị gà-àmụ òzọ
Enwèrè ṁ èberè n’ebe ụnụ̄ nọ̀
Ahụ̄wo m nhusì anya ụnụ̀
Mà nwenù ǹdìdì n’ezie
Ọ fòdụ̀rụ̀ ùgbòro ijè àbụọ
N’ihì nà aka m anọzùghị ogè m
Kà m wèe nọ̀gide bụrụ ǹkè gị.

I E Akoma, *Ịghota Abụ Igbo* (1981)

https://xtremepape.rs/

(a) Kọwaa okwu a bụ Ogbanje na nnukwu mkpà ọ dị n’isiokwu abụ a.

(b) Kedụ ihe i nwere ike ikwu gbasara ụzọ ndị ahụ ma kèe ka agwara akankè odeabụ jiri rụọ ọrụ siri metụta n’abụ a?

---

https://xtremepape.rs/